# INYEEKELE NKE ONYEKRAIST

## Abù Ọma 107:1-43

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 47 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka ihe ọ bula nke nēku ume to Ja. Tonu Ja" (Abù Ọma 150:6).**

**I Adụrụọdụ ka Anaetò Chineke**

1. Ebere Ya niile kwesịrị ikele ekele anyị, Abù Ọma 107:1; 103:17; 50:14; Abù Akwà 3:22, 23; Deuteronomi 6:7; Taitọs 3:5-7; Matiu 10:32
2. Kele Ya n'ihi ókéịdịelu nke mgbapụta ahụ, AbùỌma 107:2-5; 130:7; Luk 2:36-38; I Ndi Kọrint 1:30; Ndi Hibru 9:12
3. Anyị kwesịrị igosipụta obiekele anyị n'ihi mgbapụta site ná nsogbu, Abù Ọma 107:6; 50:15; 2 Ihe Emere 20:20-22; Daniel 3: 17; 6:22; 2 Timọti 4:18
1. Ọ bụ Onye ndú anyị dị ukwuu, Abù Ọma 107:7; 77:20; I Samuel 2:9; Luk 24:50
2. Chineke kwesịrị otuto, n'ihi na Ọ dị mma, Abù Ọma 107:8, 9; 92:1, 2; Ndi Rom 8:28; Ọlu Ndi-ozi 10:38

**II Ihe Nlereanya Dị Icheiche Nke Ikwesị Ntụkwasị obi nkeChineke**

1. Ịdịmma Ya naerute ọbụná ndị ahụ náenupụisi, Abù Ọma 107:10-16; Nehemaia 9:16, 17, 26, 27
2. Agụnyere ndị ahụ náemebiiwu bụ ndị ji aka ha wetara onweha ahụhụ dị icheiche, Abù Ọma 107: 17-22; Ilu 13:15, Maika 7:18
3. Ọ naachịkọta ihe niile èkèrèèkè náeme kwa ka ebilimmiri dajụọ, Abù Ọma 107:23-32; Ilu 30:4; Matiu 8:27; Mak 4:39
4. Ajọomume nke mmadụ mere ka ala náamị mkpụrụ ghọọ ebe tọgbọrọ n'efu, Abù Ọma 107:33, 34
5. Ebere nke Chineke naeme ka ọzara ghọọ ala náamị mkpụrụ, Abù Ọma 107:35-38; Aisaia 35:1, 2; 51:3

**III Mmeso Ya N'ebe Ụmụmmadụ Nọ**

6. Site n'ụzọ dị rịkọrịkọ dị icheiche ka Ọ naagwa ụmụmmadụ okwu, Abù Ọma 107:39; 94:12; Ilu 3:11, 12
7. Onyenweanyị adịghị ele mmadụ anya n'iru, AbùỌma 107:40; Ọlu Ndi-ozi 10:34; Ndi Efesọs 6:9
8. Ọ hụrụ ogbenye n'anya ma Ọ naekpuchi ọnụ onyemmehie, Abù Ọma 107:41, 42; Jemes 2:5; Job 5:16
9. Ileruanya n'ihe nke Chineke naeme ka aghọta ụzọ Ya niile, Abù Ọma 107:43; Daniel 12:10; Jeremaia 9:23, 24; Jọn 8:31, 32

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Akwụkwọnsọ nke Chineke jupụtara na ndụmọdụ nke mara ezimma. Ọ naakuziri ụmụmmadụ ụzọ ibi ndụ ma bụrụ kwa onye ndú anyị rue ụlọ ahụ dị n'Eluigwe. Ọ dị mkpà ikwere ma nábata kwa okwu Chineke **niile** nime obi anyị, náajụghị mpaghara ọ bụla nke Akwụkwọnsọ. Ná Nkpughe 22:18, 19 emere ka o doo anyị anya nkeọma na Okwu niile nke Chineke dị mkpà ma zu kwa òkè iwetara anyị niile akàrà nke eji abà n'Otuto.

Otú ahụ kwa nime Abù Ọma nke a agwara anyị ka anyị kele Onyenweanyị ekele, nye Ya otuto ma feè kwa Ya òfùfè. Inye Chineke ekele dị icheiche bụ otù nime mkpụrụ niile nke mnwapụta zuruòkè nime Onyenweanyị. Ọ bụrụ na anyakụdoro anyị n'Ezi osisi Vine ahụ anyị gaenwe mkpụrụ niile nke Ezi osisi Vine ahụ. Ọ bụrụ na mnwapụta anyị bụ ụgha, maọbụ na anyị kwere ka ọ chịpụta anyị wee nọdụ n'ọnọdụ nke ndaghachị azụ, otuto anyị niile abụghị kwa nke eziokwu kama ọ ghọwo ọla náaraara, maọbụ ájàọla náada ụdà. Ọ bụrụ na ọñụ Jehova abụghị ike anyị Mmụọ Ya agaghị adịkwasị n'ịgbaàmà anyị. Mkpali na mbulielu dị añaa ka ọ naenye ụmụmmadụ, ma karịsịa ihe niile ọ bụ ihe náatọ óké ụtọ ná ntị Onyenweanyị bụ otuto niile nke ndịnsọ n'eluụwa nke a! Ọ bụrụ na ọ naagụsị anyị agụụ ike inye otuto na ifèòfùfè n'iru Ocheeze Eluigwe ahụ rue arọ niile nke mgbe niile ebighịebi, ọ dị mkpà ka anyị dozie agwà anyị n'ebe a na ugbu a.

Enwere ọñụ dị omimi nime nzọpụta. Devid matara nke a ma nwee eziokwu ahụ zuruòkè ịnabata na ya etufuwo mnwapụta ya ahụ wee kpee ekpere ka o nwetaghachị ya. Ọ sịrị ná (Abù Ọma 51:12), "Nyeghachim obi-utọ nke nzọpụta-Gi." Ọ dị nrafu nke ekwensu naeji eme ka ndị mmadụ kwenye na ọñụ na obiụtọ bụ ihe apụrụịchọta náánị site n'ime mmehie. Devid enwetaworịọñụ ahụ tụfue ya – wee hụta onweya n'ọnyà nke ekwensu, o wee jupụta ná nwuta n'ihi mmehie ya na óké mwuta nke ahụhụ ya. Ọ ghọtara ihe dị iche n'etiti mkpụrụ niile nke mmehie na udo nke Chineke. Abù Ọma nke mbụ ahụ gwara anyị onye bụ nwoke ahụ nke nwere obiụtọ. Mgbe anyị na Kraist nwere mmekọrịta, ewee were Ọbara Ya tekwasị n'elu awara ọnụụzọ na n'ofiere ụzọ nke obi anyị niile, Ọ naenye anyị ọñụ ime uche Ya n'ihe niile, nke náagụnye kwa otuto anyị n'ihi mgbapụta dị ebube site n'ọchịchị nke onyeiro, na inwere onwe nke dị nime nzọpụta ahụ.

Ọ naewere ihe karịrị olenaole iji chetazue ngọzi niile dị ebube nke Chineke. Mnwapụta ahụ anyị nweworo site n'ijere Kraist ozi n'ogologo arọ niile ahụ abụrụwo ihe dị ebube – ma anyị naecheta kwa ngọzi niile nke Ọ

naawụkwasị n’elu ndụ anyị site na mgbe rue na mgbe? Náánị cheretụ ma tụgharịa uche. O kwesịrị ka anyị “kelenu JEHOVA, n’ihi na Ọ dị mma.”

Ọtụtụ oge mgbe anyị naachọ ihe n’aka Chineke, náarịọarịrịọ n’iru ocheeze ahụ, anyị gaeme nkeọma ma ọ bụrụ na anyị gaacheta ndụmodụ Ya inye ekele na otuto.

Abù Ọma nke 107 jupụtara n’otuto ihe nke anyị gaeji n’ihi ha nye Onyenweanyị otuto. Ọ naachịkọta ndị Ya were Nri nke Eluigwe náazụ ha, náagbapụta ha site n’ahụhụ ha dị icheiche, náedu ha n’ụzọ ahụ ziriezi, ná emere ọbụná ndị daghachịrịazụ ebere bụ́ ndị kpafuru ma teta nime nsogbu na ahụhụ ha. Nime amaokwu nke iteghete anyị naagụ “N’ihi na O mewo ka afọ ju nkpuru-obi nāchọsi ihe ike, ọ bu kwa nkpuru-obi agu nāgu ka O nyejuworo ezi ihe afọ.” Chineke hụrụ obi agụụ naagụ n’anya ma enwere ngọzi dị icheiche n’ụlọàkụ nye onye ahụ nke náabịakute Ya n’ọnọdụ dị otú a (Luk 1:53). Ọ bụghị náánị na Ọ naeme ka ebilimmiri dajụọ, ma mgbe ọ bụla Ọ banyere nime obi Ọ naeme kwa ka ịgbọụjá nke ebilimmiri nke mmehie na mwuta n’ihi mmehie na iruuju dajụọ. “Ha we ñuria n’ihi na ha nādaju.”

Ọ dịghị oge ọzọ ka mma karị ugbu a inye Onyenweanyị otuto. Enwere mmụọ nke náadịgide nke òfùfè na inyeekele náadịghị akwụsịakwụsị nke náarịgo n’elu site n’obi onye nsọ nke Chineke, ma ọ dị mma iji ọñụ kwupụta ihe ahụ anaenwe mmetụ ya nime obi. Chineke hụrụ otuto n’anya náasọpụrụ kwa onye si otú a náebuli Aha Nsọ Ya elu. Anyị naahụ́ ihe mkpuchita nke nku Ya naalụpụta na ihe ndo nke ogweaka ebighịebi Ya naeme nime ndụ anyị kwa ụbọchị wee náesoro onye dere Abù Ọma ahụ, náasị “Kelenu JEHOVA, kpọkuenu aha-Ya; menu ka amara omume ya nile n’etiti ndi nile n’uwa. Bukuenu Ya abù, bukuenu Ya abù-ọma:Tugharianu uche n’okéọlu-ya nile” (Abù Ọma 105:1, 2).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ isi ndụmọdụ nke Abù Ọma 107?
2. Mmụọ nke ndụmọdụ a anàahụta ya nime ndụ nke ndị niile agbapụtara?
3. Énwere ọtụtụ mkwà dị ebube dị nime Abù Ọma nke a, Kpọpụta ha.
4. Gịnị bụ nlụpụta nke iguzogide Okwu Chineke?
5. Kọwaa ihe mmadụ pụrụ ime mgbe ọ nọ ná nsogbu.
6. Gịnị bụ ihe anaatụ̀ anya na omume dị otú a gaalụpụta?
7. Gịnị ka edere nime Abù Ọma nke a banyere ịgbaàmà nime ụlọ chọọchị?
8. Gịnị ka ndị agbapụtara agbapụta bi n’Eluigwe ganaeme n’ebighịebi niile?
9. Ọ̀ dị iwu ọ bụla ji anyị inye Chineke otuto?